# Ọnọdụ Ụmụ Nwanyị Igbo N'oge Ugbu A
## Sitere n' aka

**Medolu, Agatha Ọbịageli, PhD**
**Ngalaba Linqwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjiria Ndị Ọzọ.**
**Mahadum Naịjiria, Nsụka**
**agatha.medolu@unn.edu.ng**
**+2348934924522**

**Chinenye C. Olekaibe, PhD**
**Federal University of Technology, Owerri.**
**olekaibechinenye@gmail.com**

**Nduka, Perpetua Ugochi**
**Federal University of Technology, Owerri.**
**perpetualnduka@gmail.com**

**&**
**Ibezim, Martha Chioma, PhD**
**Department of Education Management and Policy**
**Paul University, Awka**
**Gmail- mcibezim@gmail.com**
**Phone: +2348063482256**

**Ụmị**

Onye bụ nwanyị? Ọ bụ nwata nwanyị, agbọghọ, agbara ka ọ bụ oke ibiri nwanyị nke Chukwu kere. Nye ya ihu ụkwụ nwanyị, mee ya ọ maa mma ile anya bụrụ elelebe ejeghị ọrụ, akwa ugo, tomato Jọs, nwa na mma ? dgz. Ihe gbasara nkọwa isi ihe bụ nwanyị n'ala Igbo a kpaliela ọtụtụ echiche na nkwenye n'ime obi mmadụ. Ọtụtụ kwenyere na nwanyị bụ mmadụ adịghị ike, onye apụghị iguzo n'onwe ya,onye enweghi okwu aka ya, onye ekwesighi ịnọ n'izu, ma bụrụ bute ka e rie. Ebe ụfọdụ kwenyere na nwanyị bụ akwara nke anaghị ekwe ntibi, onye nwere ezi agwa ma ike n'ịgba mbọ. Ọ bụ echiche ndị a kpaliri nchọcha a nke a ga-esite na ya chọpụta ọnọdụ ụmụ nwanyị Igbo n'oge dị ugbu a. Mbunuche bụ isite na nchọcha a chọpụta ihe bụ ọnọdụ ụmụ nwanyị Igbo n'oge a. A ga-eme nke

a site n'ileba anya n'isiokwu dị iche iche metụtara ụmụ nwanyị dịka: alụmdi, ịmụ nwa, ọrụ aka maọbu nka, egwuregwu, agụmakwụkwọ , ekike na ịchọ mma. Anyị ga-agbado ụkwụ n' atụtụ Virginia Wolf (1882) bụ nke ọ kpọrọ feministi tiori. Nke na-ekwu na a ga-enye nwanyị na nwoke nhatanha oke. Atụtụ ọzọ bụ nke sitere n'aka Simone De Beauvoir (1989) nke ọ kpọrọ 'Exintentialist feminism Theory' n'asụsụ Bekee. Ọ kọwara na ụmụ nwanyị abụghị ndị enweghi ike ịnọrọ onwe ha mgbe ha na nwoke bụ enyi. Atụtụ nile ndị a gbadoro ụkwụ n'iwepụta ọnatarachi pụrụ iche dị na ndụ ụmụ nwanyị bụ nke mere ka ọnọdụ ha dị ezi elu. A na-atụ anya na site na nchọcha a, a ga-emepe anya ndị mmadụ ịchọpụta ọnọdụ ụmụ nwanyị ugbu a. Site n'ụzọ dị otu a napụta ndị na-ada mba n'obi, ndị a na-emegbu emegbu nakwa ndị a na-eleda anya n'ala Igbo nakwa mba ụwa dum.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: Nwanyị, Nwoke, Mmegbu, Nkwudosike na Omume.

**Abstract**:

Who's a woman? Is she a creature that has female organ and has grown up to the age of maturity. She could be wonderfully created, elegant, tall, roburst etc? . The question about who an Igbo woman is has brought about some conceptions and misconceptions. Some believe that an average Igbo woman is weak, dependent, voiceless and non-impactful. While to the contrary, others believe that Igbo women are resilient, respectful and dogged. These thoughts culminated to the topic of this research. Through this study the true position of an Igbo woman in this contemporary era will be x-rayed. This will be carried out by looking into topics like: marriage, child birth, crafts and technology, sports, education, fashion designing and cosmetology. Two theories will be used in this study. Firstly is the theory of feminism by Virginia Wolf (1882). This theory believes that there should be equal legal right between man and woman. Also the Exintential Feminism theory by Simone de Beauvoir (1989) will equally be used. He talked about the independent nature of a woman. These theories are geared towards buttressing the fact that a woman has quina quina potentials and should not be looked down upon. It's expected that this study will salvage the Igbo woman that is down trodden, humiliated and handicapped by unraveling the encapsulated potentials in them. Through this way, the light of an average Igbo woman will shine

brighter and brighter giving a more assured future in this contemporary era.

**Key Words**: Woman, Man, Humiliation, Independent and Behaviour.

**2. Mkpọlite:**

Akwụkwọ nsọ Baịbụl mere ka anyị mata na Chineke sitere n'ọkpụkpụ nwoke wee kee nwanyị. Nwoke bụ isi ebe nwanyị bụ olu. Ọ bụrụ na olu ebuteghi isii, isi agaghị akwụrụ chịm. Ụmụ nwanyị bụ mmadụ Chukwu ji chọọ ụwa mma. Ọ bụ nwanyị bụ mkpụrụ Chukwu kụrụ n'ụwa n'ihi na ọ bụ site na nwanyị ka e si enweta ọmụmụ. Ọnọdụ ụmụ nwanyị bụ nke na-eguzosike site n'oge gboo wee rue ugbu a. N'oge gboo, a na-emegide ụmụ nwanyị n'ụzọ dị iche iche dịka azụghị nwanyị n'akwụkwọ, anaghị ekwe ka nwanyị kwuo okwu n'ọha ma ọ bụ n'ezinụlọ, a na-egbu ụmụ ejima nwanyị mụrụ, nwanyị anaghị ata eke ọkụkọ dgz.

N'oge a, ọnọdụ ụmụ nwanyị enweela nnukwu mgbanwe dika n'ihe nchọpụta odee Ikekeonwu ọ kpọrọ 'mpụta ihe atụmatụ feminism n'agụmagụ Igbo' . Nke ọ gụpụtara n'afọ (2001) na nzukọ ndị ala ehibere n'Enugu nke na-ekwusi ike ka enye ụmụ nwanyị ohere izipụta onyinye Chineke nyere ha nakwa ọnọdụ na oké ruoro ha. Ụmụ nwanyị na-enye aka ime ka mba ọbụla na-aga n'ihu ya mere na obodo ọbụla na-akwado nhatanha oke na nne na-enwe mmụta akụnụba n'ihi na ụmụ nwanyị na-enwe ohere izipụta nka na ọ natara chi ha dị iche iche. Dịka o si metụta ezinụlọ, nke a anaghị enwe isi ma kwụrụ chịm ma ọ bụrụ na nwanyị anọghị ya. Ụmụ nwanyị bụ anya na-echedo uto na ọdịmma nke ezinụlọ. Nwanyị na-arụ ọrụ dịka nwunye, onye ndu,onye ndụmọdụ,onye nkụzi, odozi akụ, na nke kachasị mkpa, ịrụ ọrụ dịka onye nne nye ụmụ nakwa onye inye aka nye di ya. E kwuru sị na n'akụkụ nwoke ọbụla na-eme nke ọma ka ezi nwanyị nọ.

Ụmụ nwanyị na-abụ ikike na ọganihu nye di ha ịmaatụ bụ Melinda Gates onye nke sonyere di ya bụ Bill Gates wee wube 'Gates Foundation'. Ime nchọcha a ga-ewepụta ọnọdụ ụmụ nwanyị n'oge gboo nakwa oge ugbu a. N'oge gboo nwoke pụta n'ọha kwuo okwu, a kpọọ ya dimkpa ma nwanyị kwuo okwu n'ọha ahụta ya ka onye na-enweghi ọzụzụ na nsọpụrụ. Nwanyị ọ bụla kwesiri ịhụta onwe ya dịka onye dị oké ọnụ ahịa nke na-enweghi ntụpọ, gbasiri ike ma kwụrụ chịm. Nwanyị ọbụla ekwesighi ire ugwu ya. N'ụwa ugbu a, ọtụtụ ụmụ nwanyị eleela ugwu ha

site na ibi ndụ ọjọọ dị iche iche. Ụmụ nwanyị ekwesighi ịbụ ndị ume ngwụ n'ihi na ha nwere nnukwu ọrụ nke ha ga-arụ. Akwụkwọ nsọ Ilu (31:16) kwuru na nwanyị na-ahụ ala zụọ ya; ọ na-akụkwa osisi vaịn site na mkpụrụ nke aka ya'. Nwanyị nwere mkpebi ime ihe ga-eme ya na-agbanyeghi ihe ịma akanihu ọbụla gatara n'ụzọ ya. Ọ dị mkpa inye ụmụ nwanyị ohere isonye na ntụziaka nile gbasata obodo, gọọmenti, ezinụlọ dgz n'ihi na Chineke kenyere ụmụ nwanyị amamihe pụrụ iche. Agụm akwụkwọ ụmụ nwanyị ekwesighi ịbụ ihe a ga-eleghara anya n'ihi na onye zụrụ nwoke n'akwụkwọ zụrụ otu onye, ebe onye zụrụ nwanyị n'akwụkwọ zụrụ otu obodo.

N'ọtụtụ afọ ndị gara aga, e nweela mgbanwe pụrụ iche n'otu e si ahụta ụmụ nwanyị. Ụmụ nwanyị ewerela ọnọdụ siri ike ma na-eme nke ọma ka o si gbasata okwe ndọrọ ndọrọ, ọrụ nka, ịzụ ahịa, ike ekike nakwa ịchọ mma dgz. Ụmụ nwanyị ewerela ọnọdụ ịbụ isi n'ọtụtụ ngalaba. Ụfọdụ n'ime ha gụnyere :

**India Nooyi, onye isi ụlọ ọrụ ndị Pepsi**
Fumilayo Ransome-Kuti (1900-1978). Onye ndọrọ ndọrọ ọchịchị, onye nkuzi, onye ama ama. Ọ bụ ya chọpụtara ọgbakọ ụmụ nwanyị ma bụrụ nwanyị mbụ gbara ụgbọala n'ala Naịjiria.

Ladi Dosei Kwali , ọ bụ ya kụziri ọkpụkpụ ite ọgbara ọhụrụ n'ala Naịjiria. Bụrụkwa onye mbụ na naanị nwanyị gbara n'ihu ego naịra. E sere ya na naịra iri abụo (20 naịra).

Adetowun Ogunsheye bụ nwanyị mbụ e mere ọka mmụta n'ala Naijiria. Ebe Ngọzi Okonji Iweala bụ nwanyị mbụ si mba Afrika e mere onye isi ndị ọgbakọ ndị azụmahịa mba ụwa niile (World Trade Organization).

Sandra Aguebor-Ekperuoh bụ nwanyị mbụ e ji idozi ụgbọ ala mara.
E nwere ọtụtụ ụmụ nwanyị ndị ọzọ welitere isi n'akụkụ dị iche iche ha nọ. Nchọcha a na-agbado ụkwụ n'izipụta ọnọdụ n'oge gboo nakwa n'oge ugbu a. Anyị ga-elebanye anya n' isiokwu di iche iche nke gụnyere alụmdi, ịmụ nwa, ọrụ nkà maọbụ aka ọrụ , ejiji na achọm mma wee zipụta ọnọdụ ndị dị otu a.

**3. Mbunuche nchọcha**

E nwere ihe ndị kpaliri mmụọ anyị ime nchọcha a. Ha bụ ndị a:

i. Igosiputa ọnọdụ ụmụ nwanyị n'oge gboo nakwa oge ugbu a.
ii. Izipụta ọnọdụ ụmụ nwanyị n'ebe ndị a : i. Alụmdi na nwunye, ii. Ịmụ nwa
iii. Ọrụ nkà na aka ọrụ ndị ọzọ.
iv. Ekike na ịchọ mma.
iii. Igosipụta uru ụmụ nwanyị bara n'ala Igbo

**4. Ntulerita agụmagụ:**

N'agba nke a, anyị ga-eleba anya n'ihe ederela gbasata ụmụ nwanyị nakwa ndị derela nke a. Anyị ga-eleba anya n'echiche ha ma nyekwa nkọwa banyere ha. Nke a gụnyere ụfọdụ echiche ndị mmadụ banyere ụmụ nwanyị bụ nke ha jiri edemede wee zipụta echiche ha. Echiche ụfọdụ na-emegide ụmụ nwanyị, ebe echiche ụfọdụ na-ekwu nyere ha. Ụfọdụ n'ime ndị odee ndị a dịka Ume (1985) kọwara ụmụ nwanyị dịka ndị karịrị n'ọnụ ọgụgụ ma bụrụkwa ndị a na-achị ọchịchị nchigbu n'elu ụwa dum. Iji kwadosie echiche ya ike, ọ gara n'ihu wee kọwaa na-abịa n'ihe gbasara omenala na ọdịnala obodo dị iche iche, ụmụ nwanyị bụ ndị a na-ahụta dịka ndị ọnọdụ ha dị ala. O kwuwara na ọrụ ụmụ nwanyị na-agbadokarị ụkwụ n'ịmụ nakwa n'ịzụ nwa.

N'otu echiche a ka Ụwandụ (1987) nọrọ kwukwaa na nwanyị bụ ihe dị nta n'ebe nwoke nọ. Ọ gara n'ihu kwuo na nwanyị kwesiri ịma etu ọ ga-esi na-eme ka di ya nwee afọ ojuju n'ebe ọ nọ oge niile. O kwusiri ya ike na nwanyị bụ isi sekpụ ntị gbasatara obi aṅụrị di ya. Site n'echiche ya nke a, ebola ụmụ nwanyị oke ibu ịhụ na ha lèkọtàrà di ha. Odee bụ́ Obbo(1980) achọghị ịma Onye nwụrụ izu ya n'afịó. Ọ hutara ụmụ nwanyị dị ka ndị Chukwu bụrụ ọnụ na mmalite ụwa. Ọ kwuru na nke a mere ụmụ nwanyị ga-eji wetue onwe ha ala n'ebe nwoke nọ ma bụrụkwa ndị nwoke na-achị.

N'echiche ọzọ, odee bụ Christine (1971) kọwara na nsogbu ụmụ nwanyị ugbua bụ na-anaghị ahụta maọbụ anụ olu ha n'ọgbakọ ọmụmụ gbasara ihe a na-emegasị n'ụwa taa nakwa oge gboo. Nke a pụtara na abịa na mpaghara obodo dị iche iche, enyeghi ụmụ nwanyị ohere ikwupụta uche ha, ụjọ ha nakwa ebumnuche ha gbasara omenala na ọnọdụ ha n'ezinụlọ. Omenala anaghị anwụ ngwa ngwa. A na-emesokari ụmụ nwanyị omume mkpagbu dị iche iche karịa ụmụ nwoke. Ụmụ

nwoke na-abụ okwuchaa ọgwụ n'obodo ebe e debere ụmụ nwanyị ebe dị iche. Odetala (1983) sokwuo na ụmụ nwanyị site na mmalite ụwa nọ ka odibo onyeisi ezinụlọ. Ọtụtụ mgbe ọrụ ha na-abụ ihe banyere mkpokọta na nchịkọta ezinụlọ.

Ebe ndị odee niile ndị atụleela na-ekwu maka mmegide nye ụmụ nwanyị, n'aka nke ọzọ Ogundipe (1983) kọwara na ọnọdụ dịka nne bụ ọnọdụ kachasị mkpa na ndụ ụmụ nwanyị n'ihi na o metụtara ọmụmụ na ọzụzụ ụmụaka. Ụmụ nwanyị bụ ndị na-ata ahụhụ oge ha dị ime rue oge ha mụchara nwa na mgbe nwa ha tolitere bụrụ okenye. Nke a na-egosipụta na ụmụ nwanyị na-arụ ọrụ ebe ọ dị ukwuu maka agamnihu ezinụlọ. Iji kwado nke a, Onuorah (1987) kọwara na abịa na nkọwa elu elu, a hụrụ ụmụ nwanyị ka ndị maara ọrụ ha, gbasie ike ma anaghị enupu isi. Nke a bụ maka na omenala Igbo ọkachasị n'oge gboo hụtara ụmụ nwanyị ikwu okwu n'ọgbakọ dịka arụ .

Iji weta nkọwa maka mgbe ọnọdụ ụmụ nwanyị a malitere, Okin (1976) kọwara na ụmụ nwanyị bụ ndị ọnọdụ ha dị ala n'ebe ụmụ nwoke nọ. N'ihi ya, site na mmalite ụwa ụmụ nwoke na-achị ha. Nke a mere na nwoke ọbụla na-egosi ọnọdụ dị elu ebe nwanyi ọbụla na-egosi ọnọdụ dị ala.

Ketu (1987) n'okwu nke ya kwenyere ma gosipụta agwa ụmụ nwanyị n'ihe gbasara ọmụmụ na ike ọmụmụ dịka ike kacha ike niile Chineke nyere ụwa dum. O kwuru na ọ bụ ọmụmụ ka e jiri ama ụmụ nwanyị niile ọkachasị n'ala Igbo. Ketu kwenyere na ụmụ nwanyị nwere ugwu ma kwuo na ọ dighị nwanyị ọbụla eji kpọrọ ihe rue oge ọ rụrụ di ma mụtakwa nwa. Ọ kachasị nwa nwoke n'ezinụlọ alụbatara ya. Ma nke ka njọ bụ amụtaghị nwa ma ọlị.

Enweela odee ndị derela akwụkwọ maka ụmụ nwanyị. N' akwụkwọ iduazị Emecheta (1979) o ji isi agwa na agwa lariị bụ Nnụego gosipụta ọnọdụ nwanyị n'alụmdi. Nnụego dịka ezigbo nwada Igbo wepụtara ume ya niile nakwa égo niile ọ nwere jiri zụọ ụmụ. Nnụego ji obi ụtọ na chi ya mechara mee ya onye nne tinye mbọ ya niile ebe ya nọ na-eleghi anya ma ọ ga-eri uru ahụhụ ọ tara. E gosipụtara ndidi, ihe isi ike, ekworo,anya ụfụ, esemokwu,akwa arịrị,obi ọjọọ, ntaramahụhụ na ntakasị ahụ na-adị n'etiti ụmụ nwanyị abụọ otu nwoke lụbatara.

Ebo (1998) n'isiokwu ọ kpọrọ ụmụ nwanyị n'ime mmepụta iwu. N'ime akwụkwọ ọgụgụ a kpọrọ'mother's voice' nke otu ụmụ nwanyị ndị nne nke ụlọ ụka Senti Pita nke ndị katọlik -UNN, agba nke abụọ n'afọ 1998, gosipụtara na oge mbụ njirimara ụmụ nwanyị bụ ịnọ n'ụsọ ekwu, ịmụ nwa na ilekọta ezinụlọ. Mana ka ọ dị ugbu a, ọ bụ eziokwu na ụmụ nwanyị na-emekwa ihe ndị a, ọ bụghị naanị ime ihe ndị a ka e jiri mara ha ugbu a. Ụmụada na-esonye ụmụ nwoke imepụta ọtụtụ ihe ndị ọzọ na-abara ezinụlọ nakwa obodo niile uru: dịka o jikọtara ụmụ nwanyị a mụrụ n'otu obodo ndị lụrụ di na ndị alụghị di. Ụmụada na-arụ ọrụ dị mkpa n'imebi iwu maọbụ imegharị iwu obodo ọbụla na-ezighi ezi megide ụmụ nwanyị maọbụ ụmụ nwoke n'obodo ha. Ọ bụkwa ọrụ dịịrị ụmụada inye nwanyị ọbụla alụbatara n'obodo nna ha mere arụ ma ọ bụ daa iwu ntaramahụhụ ruoro ya. Betty nyere ọmụmaatụ ihe mere n'Aba, Steeti Abịa n'afọ 1929. Ebe ụmụ nwanyị mere ihe ngosi iwe ma lụkwaa ọgụ dị na ya. N'ikpeazụ ọ rịọrọ ọhaneze ka ha na-enyere nkwalite ọnọdụ ụmụ nwanyị aka n'ala Igbo nakwa mba ụwa niile.

Okonji (1970) n' akwụkwọ ya zipụtara na tupu ndị Okpukperechi Kraịst abịa n'ala Igbo, a na-ahụta ịzụ nwanyị n'akwụkwọ dịka ihe lara n'iyi. Nkwenye ha bụ na nwanyị lụọ di ego e jiri zụọ ya abụrụla ihe lara n'iyi. Okonji (1970) gara n'ihu kwuo na nleda ụmụ nwanyị ebe agụmakwụkwọ dị mere ụmụ nwoke ndị odee anaghị ahụta ihe ọma ọbụla ebe ụmụ nwaanyị nọ naanị n'ịmụ nwa.

Na nchịkọta, anyị chọpụtara site n'akwụkwọ ndị e jiri mee ntulerita agụmagụ na-enwere echiche abụọ gbasara ọnọdụ ụmụ nwanyị. Ndị òtù echiche na-ekwu na ọnọdụ ụmụ nwanyị bụ ịnọdụ n'okpuru ụmụ nwoke. Ebe ndị odee nke ọzọ kwenyere na ụmụ nwanyị bụ ndị nwere onyinye pụrụ iche ma nwekwaa ike ịnọrọ onwe ha ma kwụrụ chịm n'ozuzu oke.

**5. Atụtụ ntụgharị:**

Atụtụ bụ ihe e dere ede nke bụ echiche ndị mmadụ n'ileba anya n'ọnọdụ, ikike na etu ekwesiri isi hụta maọbu meso ụmụ nwanyị n'oge a. Virginia Wolf tụpụtara atụtụ̀ feminism n'afọ 1882. O kwenyesiri ike ma hụ na onweghi ndịiche dị n'etiti nwoke na nwaanyị rue oge ọ nwụrụ n'afọ 1941 dịka Hooks (1984) zipụtara. Hooks kọwara na feminism na-eme ka amata na nwoke na nwanyị enweghi ndịiche maọbụ nke ka ibe ya ike. Ọ kọwakwara atụtụ feminism dịka atụtụ nke na-eleda anya n'ihe ndị na-eme eme nwere echiche miri emi nakwa ihe ndị ahụ mere na

enweghi ndịiche n'etiti nwoke na nwanyị. Dịka Hooks siri kwuo, ọnọdụ a na-enyocha ọrụ nwoke na nwanyị. Atụtụ ọzọ nke a ga-agbasokwa na nchọcha a bụ nke Beauvoir (1989) tụpụtara. Ọ kọwara na ụmụ nwanyị abụghị ndị enweghị ike imepụta ihe maọbụ ịnọdụ onwe ha mgbe ha na nwoke bụ enyi. Ọ kọwakwara na ọ bụ maka nwere onwe ka ọtụtụ ụmụ nwanyị ji agba akwụna iji nweta ihe niile ha chọrọ. Ọ gara n'ihu ma kọwaa na nwere onwe ụmụ nwanyị bụ ihe dị mkpa. Beauvoir (1989) kọwara na nwoke nwere ike isite n'ike niile dị ya n'aka ma wedaa onwe ya n'ala ebe nwanyị nọ. Atụtụ a gbadoro ụkwụ ma na-ekwuwa na ụmụ nwanyị nwere ikike iguzogide nsogbu ọbụla bịara site n'igosipụta nwere onwe ya ebe nwoke nọ. Atụtụ a kwenyere na ụmụ nwanyị pụrụ imeri nsogbu ọbula bịara n'etiti ha na nwoke. Site na atụtụ ndị a anyị hụtara ọnọdụ ụmụ nwanyị ugbua. Ọ bụ ya mere anyị ga-adabere na ha wee mee nchọcha a.

**6. Nhazi na nnyocha data:**

N'agba nke a, anyị ga-eleba anya n'ọkpụrụkpụ isiokwu dị iche iche bụ ebe a ga-agbado ụkwụ ma wepụta ọnọdụ ụmụ nwanyị n'ala Igbo ka ọ dị n'oge gboo nakwa oge ugbua .

**6.1. Ọnọdụ ụmụ nwanyị ugbua**

Ọ bụ Chukwu kere ụwa ma kekwaa ihe niile nke mejupụtara ya. Ọ kere nwoke ma kekwaa nwanyị ma were ha mejupụta ụwa. Ezi ebumnuche o jiri kee mmadụ bụ iji mee ka ụwa gaa n'ihu. Ọ bụ ya kpatara na nwoke na nwanyị dị mkpa. Site na njikọ aka nwoke na nwanyị ka ụwa ga-esi too eto ma zuo oke. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ ụmụ nwoke na-apụtakarị ihe n'ọtụtụ ihe a na-eme n'ụwa. Ma ọnọdụ dị otu a na-adịzi ka a na-akpagbu ụmụ nwanyị akpagbu. Ọ kwesiri ka enye ụmụ nwanyị ohere ime ihe nile a na-eme eme n'elu ụwa. N'ihi nke a, ụmụ nwoke kwesiri ịdị na-enye ụmụ nwanyị ezi ohere ka ha nwee ike ị na-ezipụta onwe ha. N'ezie ụmụ nwoke anaghị ekwe ka ụmụ nwanyị si n'ụlọ pụta. Nkwenye ọtụtụ ụmụ nwoke bụ n'ebe nwanyị kwesiri ị na-apụta ihe bụ naanị n'usekwu. Ha kwenyekwara na ụmụ nwanyị ekwesighi ịnapụta n'ọgbọ n'ihi na ọnọdụ nwanyị adịghị mma n'obodo. Ụmụ nwoke na-ahụta ụmụ nwanyị dịka ndị na-adịghị ike, agaghịkwa anagide nkwa aka nwoke. Ndị nna hụtara ịzụ nwanyị n'akwụkwọ dịka ihe na-enweghi isi n'ihi na echiche ha bụ na nwanyị lụọ di, ego e jírí zụọ ya alaala n'iyi. Ma echiche ndị a abụghị ihe ziri ezi. Ugbua ọtụtụ ihe tinyere echiche gbasara ụmụ nwanyị enweela mgbanwe pụtara ìhè

Ọtụtụ ọnọdụ gbasara ụmụ nwanyị bụ nke pụtara ihe ka anyị ga-akọwa site na ilebanye anya n'ọnọdụ ụmụ nwanyị n'oge gboo nakwa mgbanwe e nwerela site n'ịgbado ụkwụ etu Achebe (1994) siri zipụta ya n'akwụkwọ ya bụ ' Things Fall Apart'. Ọkpụrụkpụ isiokwu ndị a ga-elebanye anya n'ime ya gụnyere; alụmdi na nwunye, ịmụnwa, ọrụ aka maọbụ ọrụnka, egwuregwu, agụmakwụkwọ, ekike na ịchọ mma. Ka anyị leba ha anya n'otu n'otu.

**6.1.1: Alụmdi na nwunye**

Dịka Achebe (1994) siri zipụta n'emume alụm di na nwunye mgbe Ada Obierika na-alụ di, anyị hụtara na-enweela ọtụtụ ndịiche n'etiti usoro emume di na nwunye nke oge gboo na oge ugbua. N'oge gboo tupu nwanyị alụọ di, a ga-emere ya omenala iru mgbede. Anaghị enye nwanyị ohere itozu agbọghọ tupu ekenye ya di. Ọtụtụ mgbe n'oge gboo, a na-ekenye nwanyị di tupu ọ hụ nsọ ya. Ọtụtụ mgbe nwanyị anaghị ama onye bụ di ya tupu ọ bata n'ụlọ nwoke ahụ. Ọ naghị enwe ikike maọbụ ohere ị họrọ onye masịrị ya dịka di nke aka ya. Mana ugbua, ọtụtụ omenala na mmeso ndị a agbanweela. Ndị nne na nna na-enye ụmụ ha ndị nwanyị ohere ịhọta onye ga-alụ ha. N'ala Igbo ugbua, ụmụ nwanyị na-aga di na-etozu etozu mara ihe ụwa na-akọ tupu ha abanye n'ụlọ nwoke dịka nwunye..

**6.1.2. Ịmụ nwa**

Dịka ọrụ Chineke nyere ụmụ nwanyị, Achebe (1994) kwuru na ịmụ nwa bụ abụba ugo Chineke nyere ụmụ nwanyị. Nne nwanyị mụrụ nwa na-abịara nwa ya ọmụgwọ. Oge nne ya nọ ọmụgwọ ka ọ ga-enwe ike leta nwa ya mụrụ nwa nke ọma. N'oge gboo dịka Achebe (1994) siri gosipụta site n'aka ndị nwunye Okonkwọ . Ụmụ nwanyị na-amụ nwa n'ụlọ, onweghi ihe dịka dibịa Bekee, ọgwụ Bekee, ịwa afọ ikupu nwa dgz. Ebe e nwere ike iku nwa jee bụ na nke ndị dibịa omenala maọbụ ezemmụọ . Nwanyị ga-akpachapụ anya ghara ịga maọbụ imetu ihe ọbụla aka oge ọ nọ na nsọ.

**6.1.3. Ọrụ aka maọbụ nka**

N'oge gboo, dịka Achebe (1994) siri zipụta ka o si metụta ndị nwunye Okonkwọ na ụmụ ha. Ihe pụtara ihe ụmụ nwanyị na-eme bụ isi nri, ilekọta ezinụlọ na ọrụ ugbo. N'ihi ohere a na-enye ụmụ nwanyị, ọrụ ha na-apụtazi ihe nke ukwuu n'ọrụ nka dị iche iche n'oge ugbu a. Ugbu a ụmụ nwanyị na-esonye n'ịchị ọchịchị, ọrụ uwe ojii, amị na nevi, ọka ikpe, ọkankuzi, imepụta ngwa dị iche iche e ji ele ndụ

anya dgz . N'oge gboo ụmụ nwanyị anaghị akwọ ụgbọ ala. Ma ugbua, ụmụ nwanyị na-akwọ ụgbọ ala, ụgbọ elu ọbụla ụgbọ mmiri. Ụmụ nwanyị na-agbakwa ogwe eji aga ụzọ ugbu a.

### 6.1.4. Egwuregwu

Achebe (1994) ji akụkọ ifo ndị nwunye Okonkwọ na ụmụ ya na-akọ wee zipụta ka ndị Igbo si emepụta egwuregwu n'ihe obi ụtọ n'oge gboo. Egwuregwu ụmụ nwanyị n'oge gboo agbanweela nke ukwuu n'oge ugbu a. N' oge ugbu a, onweghi onye na-apụta egwu ọnwa, ịkpọ ọga, ịtụ sụwel na egwuregwu ọkpụ ndị ọzọ. Ụmụ nwanyị na-esonye n'egwuregwu dịka mgba, ịkụ bọọlụ , ịgba ọsọ, igwu mmiri dgz.

### 6.1.5. Ekike na ịchọ mma.

Malite n'oge gboo rue taa, ụmụ nwanyị bụ ndị ekike na ịchọ mma na-amasị n'ebe ọ dị ukwuu. Achebe (1994) mere ka amata nke a n' akwụkwọ ya mgbe ọ kọrọ etu Ọjịugo siri hapụ nri o kwesiri I siri Okonkwọ ma gaa ike na imezi ntutu isi ya. Mgbe gboo ihe ejiri mara ụmụ nwanyị bụ ịma akwa. Ihe ịchọ mma ha anaghị akarị uri, ọtangele, nzu,eriri isi, ọla maọbụ ihe ekike na ịchọ mma nke e jírí mara mba na omenala ọdịbendị dị iche iche n'ala Igbo. Ọbịbịa ndị ọcha webatara ọtụtụ ihe ọhụrụ n'ekike nakwa ịchọ mma nke ụmụ nwanyị. Enweela oke ihe gbanwe ugbu a. Ụmụ nwanyị na-eyi akwa ụmụ nwoke, akpụkpọ ụkwụ ụmụ nwoke nakwa ihe ejiji ụmụ nwoke dị iche iche. Ịchọ mma ugbu a bụ nke juputara n'ọgbara ọhụrụ dị iche iche. A na-akwanye isi, iku anya, mbọ, ara,ike dgz. A na- eme mgbanwe akpụkpọ ahụ a kpọrọ plastik sọjịrị nakwa mgbanwe njirimara nwoke maọbụ nwanyị a kpọrọ transjenda. Ihe ndị a niile metụtara ekike oge ugbu a.

### 6.1.6. Agụmakwụkwọ

N'oge gboo, anaghị ekwe azụ ụmụ nwanyị n'akwụkwọ. E nwere nkwenye na ụmụ nwanyị bụ ndị ga-anọrọ n'ụlọ ma na-enye aka n'ọrụ ugbo, ịrụ ọrụ ụlọ na ịmụ nwa. Ha kwenyere na ọbaghị uru ịzụ nwanyị n'ihi na ọ ga-alụ di wee banye n'ezinụlọ ọzọ. Ka ọ dị ugbu a, nke a agbanweela. Ụmụ nwanyị bụ ndị na-agụ oke akwụkwọ ugbu a. Ha na-enwekwa nnukwu ọkwa dị iche iche n'ala anyị nakwa na mba ụwa ndị ọzọ. Ụmụ nwanyị na-abụ ndị isi nke ụlọ akụ dị iche iche. Ụlọ akụ dịka

### 6.3. Uru ụmụ nwanyị bara n'ala Igbo

Site na isiokwu a , anyị hụtara na ụmụ nwanyị bara ọtụtụ uru. Site na ịwa anya ha, ha abụghị ndị na-atọ naanị n'ụsekwu. Ha na-eweta ọtụtụ agamnihu, ọdịmma na mmepe obodo. Uru ụmụ nwanyị bara n'ala Igbo dị ọtụtụ. Ụfọdụ n'ime ha gụnyere ndị a:

#### 6.3.1. Onye enyemaka nye di ya :

Ụmụ nwanyị na-abụ ndị enyemaka nye di ha n'ezinụlọ. Ha na-esonye na nhazi, ọdịmma na ntolite ezinụlọ. N'ọtụtụ ezinụlọ n'ala Igbo, ọ bụ ụmụ nwanyị na-alụ ụlọ, kwụọ ụgwọ akwụkwọ ụmụaka ma gbokwaa ọtụtụ mkpa ndị ọzọ dị iche iche. Ezi nwanyi na-abụ onye nkasi obi na ndabere nye di ya mgbe ihe ụwa tụwara ya n'ọnụ. Akwụkwọ nsọ Baịbụl kwadoro nkea site na Jenesis (2:18) ebe ọ sị ' ọ dịghị mma ka nwoke nọrọ naanị ya, aga m emere ya onye inye aka kwesiri ya'. Nke a na-egosipụta na ọ bụ etu a ka Chukwu siri dobe ya na mbụ. Ọbụkwa etu ọ dị n'omenala Igbo.

Nwanyị na-abụ ezi onye enyemaka nye di ya site na ime ka ndụ di ya gbanwee ma ka mma. Ọtụtụ ụmụ nwoke na-aga n'ebe ụlọ mkpori ndụ oriri na ọṅụṅụ bụ ndị na-agbanwe site na-ezi obibi ndụ na enyemaka nke nwunye ha. Ụmụ nwanyị na-eme ka ụmụ nwoke nwee isi ma kpakọọ ọnụ n'ala Igbo.

#### 6.3.2. Ọwa ọmụmụ nwa

Ọ bụ nwanyị ka Chineke nyere ikike ibu nwa n'afọ ma mụọ ya. Ọ bụ site n'afọ nwanyị ka nwoke, nwanyị, dike, dimkpa, ndị ukwu na ndị nta niile si abịa ụwa. Ọ bụ oge Chineke kesiri nwanyị n'akwụkwọ nsọ ka o kwuru na Jenesis 1:28 ' Chineke wee gọzie ha: Chineke wee sị ha,mụanụ ọmụmụ, baanụ ụba, juputa ụwa, buda ya n'okpuru onwe unu ; nwekwanu ike n'arụ azụ nke oke osimiri, na n'arụ anụ ufe nke eluigwe, na n'arụ anụ nile ọbụla dị ndụ nke na-akpụ akpụ n'elu ụwa'. Site na ikikere ịmụ nwa nye ụmụ nwanyị mere ala Igbo jiri juputa n'ụbara nwoke na nwanyị.

#### 6.3.3. Ọchịchị na udo nke obodo

N'ọtụtụ omenala Igbo, ụmụada na-enye aka inweta ezi nchekwaba na idobe iwu maka ọdịmma obodo. Ụmụ nwanyị na-eso atụta ezi arọ na-eweta udo na agamnihu. Ha na-enyekwa mkpebi na ntaramahụhụ nye onye ọbụla dara iwu

n'ala Igbo. Ha na-enyekwa onye ọbụla mere ihe ala na-asọ nsọ ntaramahụhụ. Ihe ala na-asọ nsọ dịka nwoke idina nwa ya nwanyị, nwanyị iti di ya ihe, mmadụ ịkpacha anya mebie ihe ibe ya, nwanyị ike ime dgz. Ajọ omume nile dị etu a na-eweta nnukwu ntaramahụhụ site n'aka ụmụ nwanyị n'ala Igbo.

### 6.3.4. Ile ọmụgwọ

Ile ọmụgwọ pụtara nleta a na-enye nwanyị oge ọ mụsịrị nwa. Ọ bụ nwanyị ka ọ dịrị ile ọmụgwọ n'ala Igbo. Mgbe ọ bụla nwanyị mụrụ nwa, ọ bụ nne ya ka ọ dịịrị ịbịa lee ya ọmụgwọ. Ma ọ bụrụ na nne nwanyị mụrụ nwa anwụọla maọbụ na ọ nọghị nso, nne di ya, nwanne ya nwanyị maọbụ enyi ya nwanyị, maọbụkwanụ ikwu ya ọbụla bụ nwanyị na-aga ilekọta ya ma nyere ya aka ime ka ahụ gbasie ya ike. Oge nke a gasịrị a na-eji ihe onyinye dị iche iche wee kelee onye bịara lee ụmụgwọ ahụ.

### 6.3.5. Ileta nne na nna oge nka

Ụmụ nwanyị na-aba nnukwu uru n'ezinụlọ a mụrụ ha site na-ileta nne na nna ha oge ha karala nka. Ha na-eme nke a site na iwetere ha nri oge ọbụla. Idu ha gaa n'ụlọ ọgwụ ma hụ na e letara ọnọdụ ahụ ike ha nke ọma. Igotere ha ọgwụ na nri ndozi ahụ kwesiri ekwesi. Tinyekwara nke a, ụfọdụ ụmụ nwanyị bụ ndị di rụrụ ha na-abịa ma rụọrọ ezinụlọ be nne na nna ya nnukwu ụlọ obibi ọgbara ọhụrụ. N'oge nka, ụfọdụ ụmụ nwanyị nọ ala Bekee na-eduru nne na nna ha laa ala Bekee ka ha bịa zuo ike ma kporie ndụ. Ọtụtụ ụmụ nwanyị Igbo na-eme nke a.

### 6.3.6. Ezi nkuzi na nlekọta nke ezinụlọ

Inye ụmụaka ezi ọzụzụ bụ oke na ọrụ dịịrị ụmụ nwanyị. Agbanyeghi ma nwanyị a na-azụ ahịa ma ọ bụ arụ ọrụ Bekee, ọ kwesiri iwepụta oge maka ileru ụmụaka ya nakwa ezinụlọ ya anya. Ụmụ nwanyị bụ ndị nkụzi mbụ tupu ụmụ ha ebido akwụkwọ. Ha na-agba mbọ ahụ na onweghi ihe ga-emebi aha ezinụlọ maọbụ bute ihe ịkọ ọnụ nye ezinụlọ. Nwanyị na-abụ ihe ilere anya nye ụmụ ya. Bụrụkwa onye ndụmọdụ nye di ya nke mere e ji akpọ ya odozi akụ. Nwata ọbụla na-akpa agwa ọjọọ, a na-ajụ ma nne ya azụkwara ya azụ? Ihe e ji ajụ nke a bụ n'ihi ọ bụ nkuzi ka e jiri mara ụmụ nwanyị.

**7. Nchịkọta na mmechi**

Nchọcha bụ ezi usoro a na-esi enweta ihe ọmụma banyere isiokwu ọbụla. Site na ọrụ a, anyị lebara anya n'ọnọdụ dị iche iche bụ etu e siri ahụta ụmụ nwanyị n'oge gboo nakwa oge ugbu a n'ala Igbo. Ọ bụ atụtụ nke Virginia Wolf (1882) na Simone Beauvoir (1989) ka a gbasoro wee kpọọ omimi n'isiokwu nke ihe ọmụmụ a. Anyị jiri ihe ọmụmatụ dị iche iche nke Achebe (1994) depụtara maka ọnọdụ ụmụ nwanyị n'oge gboo wee sikwanyere ya ọnọdụ ha n'oge ugbua. Ọnọdụ ndị e lebara anya wee wepụta nke a bụ ndị metụtara alụmdi na nwunye, ịmụ nwa, ọrụ aka maọbụ nka, egwuregwu, ekike na ịchọ mma nakwa agụmakwụkwọ. Anyị hụtakwara uru ụmụ nwanyị bara n'ala Igbo. Anyị chọpụtara site na nchọcha a na ọnọdụ ụmụ nwanyị ugbua n'ala Igbo adịghịkwa ka ọ dị n' oge gboo. A na-atụ anya na site na nchọcha a, a ga-aga n'ihu ịgbanwe echiche banyere ụmụ nwanyị mgbe gboo n'ala Igbo ma gaa n'ihu inye ụmụ nwanyị ohere ka ha bụrụ isi n'ebe dị iche iche iji wepụta ike dị n'ime ha. Site n'ụzọ dị etu a, a ga- eme ka ụmụ nwanyị Igbo wusaa site n'ala Igbo gaa mpaghara ala Naijiriịa ndị ọzọ nakwa akụkụ ụwa dum. Nke a ga-eme ka ndị Igbo wusaa n'ebe nile ụwa sọtụrụ. Maka nkụ dị na mba na-eghere mba nri.

**Edensibịa**

Achebe, C. (1994). Things fall apart. New York. Anchor Books

Ebo, B.C. (1998). Women in decision making. A journey of the Catholic Women Organization, UNN, 2(1).18-19.

Emecheta, B.(1974) Second Class Citizen, London: Heinemann Educational Book Ltd.

Eveline, P. (2015), Virginia Wolf and feminism-the feminism of her life and novels Druck and Binding: Books on demand GMBH, Norderstreet Germany.

Ketu, K. (1987). "Womanhood / Motherhood" A journal of Common Wealth Literature (22)1 pp 158. Ibadan : Hazzeli publishers.

Obbo , C. (1980) African Women : The struggle for Economic Independence. Calwasonia Round About : Zed Press.

Odetala, M.U. (1983) Man and Culture. Kaduna: Tamaza publications

Ofomata , C.E. (2012) Omenala na Odịnala ndị Igbo. Format publishers.

Okin, S.M. (1979). Western in Western political thought. U.S.A. Princeton University Press

Okonji, U. (1970). The impact of urbanization on Igbo family structures. London: Routledge and Kergan.pp.138.

Okpoko, C. (2000). Man and his environment. Lagos: Kagoro publications.

Woolf. V. & Beauvoir, S. (1928). Literary criticism. Incart Editors